# AHA OSISI NSỌ ỤFỌDỤ: URU HA BAARA NDỊ iGBO

**Onyinye Constance Amamgbo**

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

08033086688

E-mail: oc.amamgbo@unizik.edu.ng

## Ụmịedemede

Aha bụ ihe e jiri mara mmadụ, anụmanụ, ihe ndị na-eku ume maọbụndị anaghị eku ume.Osisi nso bụ otu n'ime osisi  Chinekekere nke nwere ugwu na nsọpụrụ n'ụzọ pụrụ iche n'ala Igbo. Ihe kpalitere mmụọ nwanchọcha ime nchọcha a bụ ime kandị mmadụ mata mkpa osisi dị n'ala Igbo, ugwu na nsọpụrụ osisi ụfọdụ nwere nke ọtụtụ ụmụafọ Igbo amabeghị ruo taa. Nwanchọcha ahụbeghị onye merela nchọcha iji chọpụta ha. Ihe nwanchọcha bu n'obi bụ ịchọpụtagasị aha osisi ndị ahụ ma detuo ha n'akwụkwọ. Ebumnoobi ọzọ bụ ime ka anya ụmụafọ Igbo meghee n'ịchọpụta na osisi ụfọdụ  ha na-ahụ kwa mgbe nwere ọrụ pụrụ iche ha na-arụgasị n'ala Igbo. Atụtụmgbakwasa ụkwụ nchọcha a bụ atụtụ njirieme na atụtụ nrụgaara aka. Nchọcha a gosịrị na ụfọdụ osisi e nwere n'ala Igbo nwere ndị na-ezipụta adịm ọcha dị ka n'ọfọ, ụdara na-egosi obi ụmụaka, ogirisi na-egosi oke ihe maọbụ ihe mwute. Nchọcha a bụ nchọcha nkọwasị na nkọwami. Ebe nwanchọcha siri wete ngwa nchọcha ya bụ n'akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche, ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ebe osisi dị n'ala Igbo.A chọpụtara na osisi ụfọdụ nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche n'ala Igbo karịa ibe ha, ọmụmaatụ: 'ogirisi' na-enye aka n'ịkpa oke ala mmadụ na ibe ya, 'ọfọ' na-ezipụta eziokwu n'ebe ọ pụrụ iche. N'ikpeazụ, nwanchọcha mejupụtara ebumnoobi ya site n'ime ka a mata na osisi e nwere n'ala Igbo dị ụzọ abụọ; osisi nsọ na osisi nkịtị.

**Ọkpụrụkpụ okwu:  Aha, Osisi nsọ, Ala Igbo**

## Mkpọlite

N'ala Igbo, mgbe ezi dị n'ukwu ụkwa, mgbe elu bụ ala ọsa, ndị Igbo nwere osisi dị iche iche na-ezipụta ọnọdụ na mkpa ihe ụfọdụ dị. Osisi ndị ahụ na-egosipụta ugwu na nsọpụrụ ihe ụfọdụ nwere n'ebe dị iche iche ka e were dị ka osisi nsọ. Osisi nsọ ndị ahụ adịghị ọtụtụ mana ha nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche karịa osisi nkịtị. Ọ bụghị osisi ndị mmadụ ji egwuriegwu kama ọ bụ osisi na-enye aka egosipụta omenala na nkwenye ndị Igbo banyere ihe ha nwere. Ụfọdụ n'ime osisi ndị a na-adị na gburugburu ebe ndị mmadụ bi dị ka ụdara, ngwu, ebe ụfọdụ na-adịkarị n'oke ọhịa ebe ndị mmadụ ebighị nso. Osisi dị ka anụnụebe, ebenebe, ọgbabinagụ, okwuma bụ ndị a na-ahụkarị n'oke ọhịa n'ihi ebube na akparamagwa ha nwegasịrị. N'ihi nke a, ndị Igbo weere osisi ndị a ka osisi pụrụ iche. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị ha na-eji ekpere chi ha maọbụ efe chi ha ofufe ma jiri ha na-akpọku nnanna ha ndị lagoro mmụọ dị ka osisi ọjị na ọfọ. Ọtụtụ n'ime osisi nsọ ndị a nwere nnukwu ọnọdụ n'ekpemekpe ọdịnala ndị Igbo.

Ka o sila dị, ndị Igbo bụ ndị kwenyesiri ike n'okpukperechi ha n'agbanyeghị ọbịbịa ndị ụka. Ha ekweghị ka nkuzi ọgbara ọhụrụ a mebie nkwenye ha nwere n'ihe ụfọdụ dị na gburugburu ha. Ọ bụ nke a mere na osisi nsọ ndị a ka dị ire ruo taa n'ihi na ha kwenyere na nkụ dị na mba na-eghere mba nri.

**Olee ndị bụ ndị Igbo**

Ndị Igbo bụ ndị bị n'ala Igbo ma na-asụkwa asụsụ Igbo. Ha bụ ndị isi ojii. Ihe nke a pụtara bụ na Igbo bụ asụsụ ndị a kpọrọ ndị Igbo na-asụ ma bụrụkwa agburu maọbụ ebo. Ndị Igbo bụ ndị bị n'ọwụwa anyanwụ Naijirịa. Ndị Igbo na-asụ asụsụ Igbo nke bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naijirịa. Ha bụ ndị ọrụ ugbo mana-arụsi ọrụ ike n'ebe ọbụla ha nọ.

Ndị Igbo bụkwa ndị na-emeere mmadụ ibe ha ebere ma na-egosi obi ebere ha site n'inyere agbataobi ha aka n'ụzọ dị iche iche. Ha makwa etu e si elekọta ndị ọbịa nke ọma tụmadị n'ebe o metụrụ mmekọrita na nnabata. N'etiti ndị Igbo n'oge gboo, e nwere obodo ụfọdụ riwara anya ma sie ike, iji maa atụ, Arochukwu. Ma ọ dịghị mgbe ha mabokwasịrị obodo ndị ọzọ ọchịchị. Amaara na ha busoro ọtụtụ ndị agha, kwakọrọ ihe ha. Ihe a ghọtara site na nke a bụ na ọchịchị mmabokwasị maọbụ ọchịchị mbagide adịghịndị Igbo n'ọbara. Obodo ọbụla n'ala Igbo na-achịonwe ya. Otu aka ahụ kwa, ọchịchị anaghị adị n'aka otu onye n'ala Igbo. Ihe ọzọ jikọtara ndị Igbo dị ka otu agbụrụ bụ na ha bịkọtara n'otu ebe a maara dị ka ala Igbo dị ka anyị kọwapụtara na mbu. Ọkpụrụkpụ ihe ọzọ jikọtara Igbo niile bụ omenala ha. Omenala Igbo bụ otu, n'agbanyeghi na e nwere obere ndịiche site n'otu mpaghara gaa mpaghara ọzọ.

**Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu ndị dị mkpa**

A ga-akọwa ọkpụrụkpụ okwu ndị dị mkpa metụtara nchọcha a. Okwu ndị ahụ bụ:

**Aha**

Okwu a bụ aha pụtara ihe a na-akpọ ihe dị iche iche. Ọ bụ ihe e ji mara ha nke na mgbe ọbụla a kpọrọ aha ahụ, onye ọbụla nụrụ ya amarala ihe a na-ekwu maka ya n'echeghị ya eche maọbụkwanụ jụwa ajụjụ ka a kọwaara ya.

Aha ihe na-azagasị nwere ka o si malite. A bịa n'akwụkwọ nsọ ndị otu Kraịstị, ya bụ Baịbụlụ, ọ kọwara na Eke kere ụwa bụ Chineke kechara ihe niile wee kezie mmadụ n'ikpeazụ (Gen. 1:27). Onye mbụChineke kere bụ Adam. Baịbụlụ kọwara na Chineke kechara Adam nye ya ikike ka ọ gụọ ihe dum O kere aha. O kwukwara na Adam gụrụ ha aha n'otu n'otu. Aha ahụ Adam gụrụ ihe dum ahụ ka ha na-aza n'ụwa were ruo taa, (Gen. 2:19). Ọ bụ otu a ka aha siri malite e wee nwee aha ihe dum na-aza nke osisi bụ isi a hụrụ kwawa okpu na nchọcha a bụ otu n'ime ha.

N'otu aka ahụkwa, n'ime akwụkwọ nsọ Baịbụlụ, a chọpụtara na o nwere mgbe ụmụ mmadụ malitere rụwa 'Anyazuru Babel'. Ha ji otu obi rụrụ ya na-agbago n'igwe, Chineke lere anya hụ na o nweghị ihe ga-eme ka ha kwụsịịrụ ya. Akwụkwọ nsọ kwuru na ụwa dum n'oge ahụ na-asụ otu asụsụ, Chineke mere ka asụsụ ha ghara ịbụkwa otu ọzọ. Onye a sịrị ya weta mma, o kute mmiri, onye a sịrị ya kute mmiri, o bute bụlọọkụ (Gen. 11: 1-8). Otu a ka asụsụ dum juru ụwa taa siri bido. N'ime asụsụ dum ahụ, ihe dị iche iche na-azagasị aha dị iche iche. N'asụsụ Igbo, 'osisi' na-aza osisi, n'asụsụ Bekee, ọ na-aza 'tree', n'asụsụ Ibibio, ọ na-aza 'etoh', n'asụsụ Frenchi, ọ na-aza 'unbre', n'asụsụ Yoroba, ọ na-aza 'igi', ebe asụsụ Awụsa na-akpọ ya 'itachi', n'asụsụ Idoma, ọ na-aza 'ochi' n'asụsụ Ịgala, ọ na-aza 'oli', n'asụsụ Ikayi, ọ na-aza 'igo', n'asụsụ Tiv, ọ na-aza 'kọn', n'asụsụ Ogori, ọ na-aza 'oti', n'asụsụ Efik, ọ na-aza 'eto' dg.

N'aka nke ọzọ, e nweela ọtụtụ ndị maara ihe ekwe na-akụ nyerela nkọwa dị iche iche banyere aha. Fontaine (2007) kwuru na aha bụ nkọwa ihe e ji mara onye nke jikọtara ezi akparamagwa ya n'obodo, ọkwa na ikike ya tinyekwara ụdị mmadụ ya na ihe e ji atụnyere ya. Ọ gakwara n'ihu kwuo na aha bụ ihe e ji achọpụta mmadụ, anụmanụ, ebe maọbụ ihe ndị ọzọ dịicheiche. Nke a pụtara na mpụtara ọbụla dị n'aha ọbụla na-arụ ọrụ pụtara ihe n'ịkọwa 'mmadụ', n'ihi na e kwenyere na aha ọbụla e nyere onye abụghị naanị njirimara onye ka ọ na-akọwa kama na ọ na-egosipụta ụdị mmadụ onye ahụ ga-abụ.

Onye ọzọ kọwara aha bụ Hallowell (2005). O kwuru na aha bụ ihe na-atapara n'ahụ mmadụ site na mgbe a mụrụ onye ahụ ruo na onye ahụ anwụọ. Ọzọ, ọ bụ eziokwu na mmadụ enweghị ikike zuru oke n'elu aha ya n'ihi na ọ bụ ndị ọzọ na-akpọ aha ahụ, onye nwe aha a na-azazi aza, mana ọ na-akọwa onye ahụ. O kwukwara na aha bụ njirimara ebe, mmadụ, na ihe ndị ọzọ.

N'ịga n'ihu, Geertz (2006) kwuru na aha na-egosi onwe maọbụ onye maọbụ ihe mmadụ bụ dị ka o si metụta ndị nwe onye ahụ, ọkachasị ezinaụlọ nne na nna onye ahụ n'ihi na a na-ewe aha ahụ dị ka nkwanye ugwu n'ebe onye nwe aha nọ. Dị ka Simon na Schueter (1975) siri kwuo, aha pụtara mkpụrụokwu maọbụ okwu ole na ole e ji mara mmadụ, ebe, ihe, ọkwa maọbụ onye ọbụla dị ka njirimara ya. Nke a gosiri na ọ bụ site n'aha ka e ji amata ihe dị iche iche Chineke kere nakwa ọnọdụ, ogogo na ọkwa ha nọgasị na ya. William (2005) hụrụ aha dị ka okwu maọbụ mkpokọta okwu dị iche iche e ji amata mmadụ. Aha ahụ na-egosipụta njirimara onye ahụ a na-ekwu maka ya kpọmkwem. Ọzọ, aha abụghị naanị ndịiche mmadụ nwere n'ebe ndị ọzọ nọ ka ọ na-egosi kama na ọ na-akọwapụta ụdịdị onye na-aza aha ahụ.

N'otu aka ahụ, Ekwealọ (1996) kwuru na aha ọbụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta. Ọ kwadoro ihe Mbiti (1977) dere, na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n'ime ha. O kwukwara na ụfọdụ aha na-akọwa ụdị mmadụ onye ahụ bụ maọbụ akparamagwa ya maọbụ ụfọdụ ihe nrịba ama megasịrị na ndụ onye ahụ. N'ịkwado nke a, ọtụtụ aha na-egosi ihe mere na ndụ mmadụ dịka Ahamefula, aha a na-egosi na a mụnyere ya bụ nwa nwoke n'etiti ụmụnwaanyị nke ga-eme ka ama nna ya ghara ichi kama ka a zara aha ha na-aga n'ihu.

Ọbaji (1982) mere ka a mata na aha nwere ihe ọ na-egosi, a bịazie n'ebe ndị Igbo nọ, na ọ na-egosi ihe ahụ ndị mmadụ na-aghọta mgbe onye na-aza aha ahụ kpọrọ ya maọbụ mgbe ndị ọzọ kpọrọ ya aha ahụ. Aha na-enye akụkọ ntọala ndụ onye na-aza ya. McGraw (1993) nyere nkọwa nke ya na aha bụ otu mkpụrụokwu maọbụ mkpụrụokwu dị iche iche na-akọwa maka mmadụ, anụmanụ, ebe, ihe maọbụ ogogo ihe dị iche iche. Onye ọzọ nyere nkọwa maka aha bụ Ụbahukwe (1981). O kwuru na aha Afrịka ọbụla na-akọwa onye na-aza ya, na ọ na-akọwakarị maka nne na nna maọbụ ezinaụlọ onye na-aza ya bụ aha. Ọzọkwa, na ọ na-arụga aka na nkwenye obodo a mụnyere onye ahụ. Okodo (1988) kwadoro nkọwa Ụbahụkwe site n'ikwu na otu aha na-akọwakarịa maka nne na nna onye bụ '*Ogechukwukamma'*. O kwukwara na ọ bụ nwa mbụ nne na nna ya chọrọ nwa ọtụtụ afọ ka a na-agụ aha a. Ihe ọzọ Okodo kọwara banyere nke a bụ na o nwere ike bụrụ nwa nwoke nne na nna ya mụtarala ọtụtụ ụmụnwaanyị tutu a mụọ ya ka a na-agụ ya bụ aha Ogechukwukamma. Ọzokwa, Amamgbo (2011) n'akwụkwọ iduuazị ya ọ kpọrọ ***Ogechukwukamma*** kwadoro ihe Ụbahụekwe na Okodo kwuru.

Russell (1952) rụtụrụ aka n'ihe ọ ghọtara banyere aha mgbe o kwuru na aha ihe na-aza na ihe kọwara ya bụ aha na-abụ otu. Nke a na-akọwa na aha dị iche iche ihe na-aza

na-enwe ihe a na-ahụ anya maọbụ ihe a rụgaara aka na-akọwa ya bụ aha. Nke a dabara nke ọma n'ihe atụtụ nrụgara akana-ekwu maka ya. Atụtụ a na-akọwa na aha na-enwe ihe a hụrụ anya maọbụ ihe a ga-arụ aka na ọ na-ekwu maka ya.

Frege (1952) nyere nkọwa nke ya banyere aha ma kwue na e nwere ike nwee aha mana a gaghị enwe ihe nhụrụnanya aha ahụ a na-ekwu maka ya na-arụ aka. N'uche nwanchọcha, ihe Frege na-ekwu maka ya bụ maka aha ndị ahụ bụ nhụrụnuche mana ha enweghị ihe nhụrụnanya. E nwegasịrị aha ndị enweghị ihe a na-ahụ anya a ga-asị na ọ bụ ihe ndị ahụ ka a na-ekwu maka ya. Ọmụmaatụ, ihụnanya, aṅụrị, asịrị, aghụghọ, iwe, dg.

A bịa na nkọwa Russell na na nkọwa Frege, e nwere ezigbo ndịiche n'etiti ha abụọ, Russell na-ekwu na aha nwere nhụrụnanya ebe Frege na-ekwu na ụfọdụ aha enweghị nhụrụnanya, mana e nwere ọtụtụ aha nwere nhụrụnanya a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka ha. Ọ bụ ya mere Stephen Law jiri gbaghaa nkọwa Frege site n'ikwu na ọ bụrụ na a gbasoo nkọwa Frege, na o nweghị ka a ga-esi nye nkọwa aha nwere ihe nhụrụnanya a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka aha ahụ.

Shakespeare (2007) n'aka nke ya kwuru na aha ọbụla ihe na-aza abụchaghị aha ihe ahụ kpọmkwem kama na aha ihe bụ ihe ihe ahụ na-ezipụta ka ọ na-ekwu maka ya. Ọ gara n'ihu kwuo na aha ihe na-azagasị anachaghị egosipụta ihe ihe ahụ bụ maọbụ ihe ihe ahụ na-ezipụta. Ọ kwadoro nke a site n'iji okooko a bụ roozu wee nye ọmụmaatụ nkọwa ya. Ọ sịrị na aha okooko roozu bụ isi ụtọ ka ọ na-ezipụta. Nke a na-egosi na mgbe ọbụla mmadụ nụrụ isi ụtọ, uche onye ahụ ga-agbaga n'okooko roozu.

Nkọwa Mbiti (1979) na nkọwa Ekwealọ (1996) tinyere Shakespeare (2007) na-arụga aka n'otu ihe. Shakespeare na-akọwa na aha ihe na-apụta ihe site n'ihe ihe ahụ na-ezipụta. Ekwealọ kwuru na aha ọbụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta ebe Mbiti sị na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n'ime aha ọbụla. Ọ bụrụ na a tụlee nkọwa atọ ndị ọkammụta a nyegasịrị, ha dum gbadoro ụkwụ n'otu ebe. Bubu na Offiong (2014) kọwara na aha bụ otu ihe gbara ọkpụrụkpụ e ji ahụba mmadụ ama. Ọ bụkwa aha ka e ji gosipụta ndịiche dị n'etiti ndị mmadụ dị iche iche. Ha gara n'ihu kwuo na ịba mmadụ aha maọbụ aha e nyere mmadụ bụ otu n'ime ihe e nwere ike iji nabata mmadụ n'otu okpukperechi maọbụ nke ọzọ.

**Osisi nsọ**

Osisi nsọbụ otu n'ime osisi e nwere n'ala Igbo a na-akwanyere ugwu pụrụ iche. E ji ihe atụ, ekpemekpe na ọdinala echekwaba osisi ndị a n'ihi ọnọdụ ha nwere. Ndị Igbo kwenyere na osisi nsọ ndị a nwere ọgbagba ndụ metụtara mmụọ na mmadụ. Carol (2011), kọwara osisi nsọ dị ka ihe malite mgbe ochie. O kwuru na osisi nsọ nwere ihe dị iche ọ na-anọchite anya ha dị ka ndụ, ihe na-amị ezi mkpụrụ nakwa ihe dịkarịsịrị nsọ. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji akpọ ya osisi nsọ. Anaedo (2009), kọwapụtara na osisi nsọ nwere nnukwu ọnọdụ n'ebe ofufe, echiche, nkwenye na ndụ ndị Igbo dị. Nke a kpatara na ha na-akwanyere osisi nsọ nnukwu ugwu dị ka ọjị. Ekwegbalu (2021) kwuru na osisi nsọ dị ọtụtụ n'ala Igbo. Ọ gara n'ihu kwuo na osisi ndị a nwere ọrụ ọgwụgwụ nsọ ha na-arụ n'ebe ndụ ụmụ mmadụ dị ka akwụ ojukwu, osisi ikenga, ọgbụ dg. Onye ọzọ nyere nkọwa banyere osisi nsọ bụ David (2013) dere na osisi nsọ dị ọtụtụ na nkwenye ndị Igbo nke dọtara echiche ndị odee n'ụzọ dị iche iche. Ọ gara n'ihu kwuo na osisi nsọ nwere nkwenye pụrụ iche n'ebe ọrụ mmụọ nye ndị dị ndụ.

Na nchịkọta, nwanchọcha kwenyere na echiche ndị odee niile nyere maka osisi nsọ n'ụzọ dị iche iche. Echiche ndị a niile dịcha mma. Mana nwachọcha hụtara osisi nsọ dị ka osisi ndị nna nna anyị ha jiri mere Chi ha n'oge gboo site ife ha ofufe n'ụzọ pụrụ iche. Ha na-eme nke a mgbe ha na-etu osisi ndị ahụ aha aka mkpa ha, na-egbusara ha ọbara ehi, ewu, atụrụ maọbụ ọkụkọ n'ebe ọ pụrụ iche dị ka nkwenye ha siri dị.Nke a gosiri na ikike osisi ndị a nwere n'ala Igbo karịrị akarị n'ebe osisi nkịtị dị.

## Ntụlegharịagụmagụ

Ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha dị iche iche banyere isiokwu yitere nchọcha a.

Site na nchọcha Abarry (1991) mere, ọ chọpụtara na a bịa n'obodo Gana, na ndị na-asụ asụsụ a kpọrọ 'Akan' na-agbaso ụbọchị dị n'izu ụka were agụ aha. Ha weere ụbọchị ahụ dị ka ụbọchị mkpụrụ obi onye ahụ lọrọ ụwa. Ọ gara n'ihu gosị ọmụmaatụ, na nwa nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị Mọnde na-aza Adwoa ebe nwa nwoke na-aza Kwadwo maọbụ Kojo nke pụtara onye a mụrụ n'ụbọchị nke abụọ n'izuụka.

Nchọpụta Abarry dị mma makana o nyere aka  mee ka ụwa mata na ndị Igbo anaghị eme ehie n'etu ha si agbaso izu ahịa abalị anọ ha were agụ aha.  Aha ahịa anọ ahụ bụ; Eke, Orie, Afọ na Nkwọ. Nwa nwoke a mụrụ ụbọchị Eke nwere ike zaa Okeke, Okereke, Nweke, Okekenta maọbụ Okekeukwu, ebe nwaanyị nwere ike ịza Mgbeke, Adaeke maọbụ Nwaanyịeke. Ọ bụ eziokwu na ndị Igbo anaghị agbasochazị usoro ahụ n'ịgụ aha ugbu a n'ihi ọbịbịa ụka na ihe ọgbaraọhụụ mana nwoke maọbụ nwaanyị a mụrụ ụbọchị ahịa Eke abụrụla Okeke maọbụ Mgbeke site n'ekere ụwa.

N'aka nke ọzọ, Sutherland (1991) kọwara na ndị Gana na-agụ aha site n'ụbọchị dị n'izuụka a mụrụ onye ahụ. Onye a mụrụ ụbọchị mbụ n'izuụka bụ ụbọchị ụka, a na-agụ ya 'Kwesis' ma ọ bụrụ nwa nwoke ebe nwa nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị ụka na-aza 'Esis'. Onye a mụrụ n'ụbọchị anọ n'ime izuụka dị ka nwa nwoke na-azakwa 'Kwekus' ebe nwa nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị anọ na-aza 'Ekuwas'. Ọ bụ etu a ka ọ dị n'ime ụbọchị ndị ọzọ dịgasị n'izuụka.  N'otu aka ahụkwa, Zawawi (1998) mere nchọcha banyere aha wee chọpụta na ndị Kikuju na-agbado ụkwụ n'ihe merenụ n'awa olenaole garanụ tupu a mụọ nwa wee gụọ aha. N'asụsụ ndị 'Ga', ọ bụ onye kacha okenye ga-ekpe ekpere ka nwa dị ụbọchị asatọ e wee gụọ ya aha. Nchọpụta Zawawi (1998) bara uru makana, ọ na-akwado usoro dị iche iche ndị si agụ aha. Ndị Igbo ụfọdụ na-eji ụbọchị asatọ ebe ụfọdụ na-eji ụbọchị iri abụọ na asatọ e ji mụọ nwa wee na-agụ aha dị ka Nzeakọ (1979) siri kwuo. Ọ bụkwa ụbọchị ahụ ka nwaanyị mụrụ nwa ji apụta n'ọmụgwọ.

Agyekum (2006) mere nchọcha banyere aha ndị Akan na-aza nke ebumnoobi ya bụ ịchọpụta ka aha ndị a na-aza si ezipụta omenala ndị Akan. Ọ chọpụtara na ahaaka e jiri mara ndị Akan bụ ihe kwesịrị ka a tụleghariạ iji mata ka mmebe ya si egosipụta akụkọ mere eme na nke ka ga-eme n'ọdịnihu tinyere ka aha ndị ahụ si ezipụta nsịrịhụwa ha na echemeche ha. Ọ gara n'ihu kwuo na aha ndị Akan na-aza, na-arụtụ aka n'ihe omimi banyere omenala ha nke pụtara ihe nọrọkwa ka ọdịmara aha ndị ahụ o buru pụta ụwa nke hiwekarịrị isi n'okpukperechi na nkwenye ha.

IheAgyekum na-akọwapụta n'ebe a bụ na aha ndị Akan na-ezipụtakarị akụkọ mere mgbe gara aga na nke ga-emen'ọdịnihu, ma na-ezipụtakwa ka ha siri hụ ụwa na ihe na-eme n'ime ya nakwa nkwenye ha nke hiwere isi n'okpukperechi. Ọ chọpụtakwara na ụmụnwaanyị ndị Akan na-agbanwekarị aha ha mgbe ọbụla ha lụrụ di nke ga-eme ka ha hapụ aha nne na nna ha nyere ha zawa aha di na-alụ ha. Agyekum chọpụtakwara na aha ndị Akan na-aza nọ ka ọdịmara nke na-apụta na o nwere ọnọdụ ọ na-anọchi mere o ji

dịomimi na nghọta ma wetakwa adịmiche n'etiti onye na-aza aha ahụ na aha ihe ndị ọzọ.

Egblenogbe (1977) mere ka a mata na aha ọbụla ndị Ewe na-aza nwere echiche abụọ, echiche nke mbụ na-ezipụta echiche nkịtị ebe echiche nke abụọ na-ezipụta echiche miri emi. Ọ bụ echiche ahụ miri emi ka e nwere ike ịhụta dịka ahaaka na-akọwa omenala ndị Ewe na nsirihụụwamaọbụ nsiriwereụwa ha.

Agbedor (2005) nyochara aha ndị Ewe na Gana na-aza na aha ndị Guin-mina na Togo na-aza. Ebumnobi ya bụ ịchọpụta ka aha obodo abụọ a na-aza siri yite onwe ha na ka usoro emume ha mgbe ha na-agụ aha siri yie onwe ha. Agbedor (2005) mere ka a mara na usoro ndị Ewe na ndị Guin-mina si agụ aha gbadoro ụkwụ n'ụkpụrụ abụọ, nke mbu bụ site na ọnọdụ wetara ịgụ aha ahụ na iji aha ezipụta nsirịhụụwa ha. Nke abụọ bụ ịgbado ụkwụ na nkwenye onye ahụ nwere. Site na nchọcha Agbedor mere banyere myiri dị n'etiti aha ndị Ewe na-aza na aha ndị Guin-mina na-aza, o mere ka o doo anya na aha obodo abụọ a na-ezipụtacha ọnọdụ dị iche iche ndị mmadụ nọ n'ime ya nke kparịrị mmụọ ha ịgụ maọbụ ịza aha ha na-aza. Nke ọzọ bụ na aha obodo abụọ a na-aza na-ezipụta ka ha siri hụ ụwa maọbụ were ụwa na nkwenye ha.

E lee anya n'ihe Egblenogbe (1977) kwuru, a ga-ahụ na ya na nke Agbedor (2005) yitere. Ihe dịtụ iche na nkọwa ha bụ na Egblenogbe gbadoro ụkwụ n'obodo Ewe wee zipụta echiche ya ebe Agbedor tụlegharịrị aha ndị Ewe na Guin-mina na-aza iji chọpụta ka ha siri yite. E wepụ nke a, nchọcha ha abụọ mere nwechara ka ha si metụta isiokwu a na-eme nchọcha na ya, n'agbanyeghị na nchọcha a gbadoro ụkwụ n'aha mmadụ na-aza, na ka e si emebe ha. Ha niile na-arụtụ aka n'ihe gbasara aha iji gosi na ọ dị mkpa na ndụ mmadu.

N'ịga n'ihu, Bernhardt (2001) na nchọcha o mere banyere aha, chọpụtara na ndị Zulu na-akpọ okwu a bụ aha 'Iganaa' nke pụtara akara onye. Mgbe a mụrụ mmadụ na be ha, a na-eweta obere mbambaokwute, were akara na-acha ọbara ọbaramaọbụ nke na-eji oji wee dee aha onye ahụ na ya dowe ya. A na-edebegide ya bụ akara onye ahụ ruo na onye ahụ anwụọ, a na-eweta ya gbajie ya ibe abụọ wụnye n'ili onye ahụ iji gosi na onye ahụ alachighaala be chi ya.

Ihe a Bernhardt chọpụtara bụ ihe anaghị eme n'ala Igbo. Nchọpụta Bernhardt banyere aha na-akọwa na ihe nhụrụnanya na nke nhụrụnuche na-ejikọ aka arụ ọrụ. Ihe nhụrụnanya na nchọpụta Bernhardt bụ akara onye ahụ a na-ede dewe mgbe a mụrụ mmadụ mana mgbe onye ahụ nwụọrụ, a hụdewe ya na akara onye ya. Ọ bụzi echiche nhụrụnuche ka a ga-eji mata onye a na-ekwu maka ya ma a kpọọ ya aha. Ya bụ na ọ dabara nke ọma n'atụtụ ndịnancheke. Ọzọkwa, nchọpụta a dabara n'atụtụ nrụgara aka nke sokwa n'atụtụ nwanchọcha ga-eji rụọ ọrụ makana mbamba okwute akara onye ahụ bụ ihe ngosi a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka onye nwe aha dị na ya.

Onumajuru (2007), mere nchọcha banyere etu ndị Igbo si emebe aha ha na-aza na mpụtara ha. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịchọpụta usoro dị iche iche ndị Igbo si emebe aha ha na-aza. N'otu aka ahụ, ọ chọpụtara na ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si emebe aha ha na-aza n'agbanyeghị na ha niile na-ezipụta ahaaka e ji ahụba mmadụ ama. N'ikwu ihe o kwuru kpọmkwem, Onumajuru (310) kọwara na aha ọbụla ndị Igbo na-aza nwere ụzọ dị iche iche ha si emebe ya. E nwere nke e jiri mara ụmụnwoke na nke e ji mara ụmụnwaanyị. Ha niile gbakwasara ụkwụ n'usoro mmebe aha. Aha ọbụla na-agbaso iwu na usoro mmebe nke ha. E nwekwara nke adịghị egosi kpọmkwem na ọ bụ nwoke maọbụ nwaanyịna-aza ya kama nwoke na nwaanyị na-azakọta ya ọnụ. Aha ọbụla na-agbaso usoro

mmebe ya. Hana-emebe aha site na ijikọ mkpụrụokwu na mkpụrụokwu (mkpọaha na mkpọaha, mkpọaha na ngwaa), nkebiokwu, ahịrịokwu, njụajụjụ na mmeju.

Nwigwe (2001) nyochara etu ndị Igbo si enweta aha ha na-aza n'ebe o metụtara ahịa anọ ndị Igbo (Eke, Orie, Afọ, Nkwọ). Na nchọcha Nwigwe mere, ọ chọpụtara na ndị Igbo na-agụ nwa aha ahịa anọ ndị Igbo iji hụba ụbọchị a mụrụ nwa ahụ ama. N'okwu ya; aha ahịa anọ ndị Igbo nwere mmụọ nwe nke ọbụla n'ime ha. Mmụọ ndị ahụ na-ejere ụbọchị ahịa anọ ndị a ozi nke a na-ewere gụọ nwata a mụrụ ọhụrụ ka ọ bụrụ aha e jiri mara ya. Aha ndị ọzọ a gụrụ mmadụ nwere ọnọdụ na mpụtara ọ na-ezipụta n'ezinaụlọ ya nakwa n'ebe ndị ikwu na ibe ya nọ. A na-akpacha anya ahọrọ aha ndị ahụ ka e were ya na-echeta ihe mere mgbe a mụrụ onye ahụ, ebe aha ahịa a ga-enye ya bụ iji cheta ụbọchị a mụrụ ya.Otu ọkpụrụkpụ okwu pụtara ihe na nchọcha Nwigwe mere bụ na ndị Igbo ji aha ahịa ha agụ aha iji hụba ụbọchị a mụrụ onye ahụ ama. Nke a pụtara na o zuru ala Igbo niile ọnụ, ebe ụfọdụ na-aza ya dị ka ahaakamkpa e jiri mara ha.

Uchegbu (2010) na nchọcha banyere usoro ndị Nri na Ihiala dị na steeti Anambara na-agbaso mgbe ha na-eme emume ịgụ nwa ọhụrụ aha nke ebumnoobi nchọcha ya bụ ịchọpụta ka emume ịgụ nwa ọhụrụ aha na Nri na n'Ihiala siri yite onwe hatụlegharịchara machọpụta na o nweghị ihe dị iche n'etiti ha abụọ, naanị ihe dị iche bụ na ọ nọ na Nri mee nchọpụta ka ndị Nri si eme emume ịgụ nwa ọhụrụ aha ma nọrọkwa n'Ihiala mee nchọcha ka ndị Ihiala si eme emume ịgụ nwa ọhụrụ aha. Uchegbu kọwara na ndị Ihiala na Nri na-agụ nwa ọhụrụ aha dị ka o si metụta ihe mere mgbe a dị ime ya maọbụ mgbe a na-amụ ya maka na aha na-ezipụta ọnọdụ na nkwenye mmadụ maọbụ echemeche banyere otu ihe maọbụ nke ọzọ.

Ilogu (1975) nyochara aha ndị Igbo na-aza dị ka o si metụta 'ala' n'Igbo. Ebumnoobi ya bụ ịmata ihe omimi dị n'ala kpataara ndị Igbo ji hụta ya dịka otu ụzọ ha si eji ya emebe aha ha na-aza. Ọ chọpụtara na, ala bụ otu n'ime chi ndị Igbo kwenyere na ya kacha ha mkpa ma baara ha uru karịa ndị ọzọ n'ebe o metụtara ebimụndụ ha na nkwenye ha. Chi a bụ ya na-echekwa ha, na-edu ha ma na-ahụkwa maka ọdịmma ha. A kọwara ala dị ka nwaanyị n'ihi ọrụ ọma dị iche iche a na-ahụta n'aka ya. N'ihi na ndị Igbo kwenyere na ọ bụ n'ime ala ka ndị nna nna anyị ha nwụrụ anwụ bi, ha kwenyekwara na mmụọ nna nna anyị ha na ụmụ mmụọ ndị ọzọ na-abịa anọnyere ha, bụ ndị dị ndụ ma na-enye ha ntụziaka ihe ha ga-eme iji hụ na obodo na-aga n'ihu ma hụkwa na o nweghị onye merụrụ ala. Ndị Igbo kwenyekwara na ọ bụ n'ala ka ezigbo ihe si apụta; ihe oriri niile na-enyere ndụ aka, ma bụrụkwa ebe mmadụ zọdọrọ ụkwụ.

Ọ gara n'ihu kwuo na ndị Igbo na-eji ala agụ nwa aha iji sọpụrụ maọbụ kwanyere ala ugwu dị ka chi na-echekwa ha, na-edu ha, na-alụchitere ha ọgụ maọbụ na-agbara ha ọgụ ma bụrụkwa ebe ihe niile na-enyere ndụ aka si apụta. Ha hụtakwara ala dị ka ebe obibi ndị nna nna anyịha nwụrụ anwụ bụ ndị na-enyere ha aka mgbe ọbụla ọ gbajuru dọrọ.

N'ikpeazụ, aha dị ka nwanchọcha siri hụta ya bụ ihe e ji mara mmadụ kpọmkwem nke na o nweghị onye ya naya ga-azọ ya azọ. Ọ bụ ihe aka mkpa. Nke gosiri na mmadụ nwere ihe e ji mara ya, anụmanụ, na ihe ndị ọzọgasị nwekwara njirimara nke mmadụ anaghị agbata n'ọsọ.

**Nnyocha atụtụ**

Nwanchọcha tụlereatụtụ echiche ndị ọ họọrọ ga-abụ atụtụ nchọcha a. Atụtụ ndị a bụ atụtụ njirieme na atụtụ nrụgara aka.

**Atụtụ njirieme**

A bịa n'atụtụ njirieme, ndị ọkammụta kwuru okwu banyere ya ehighị nne, ma kaọsiladị, n'afọ 1953 Ludwig Wittgenstein dere akwụkwọ ọ kpọrọ *'Philosophical Investigations'*kwuru na atụtụ a na-agbaso usoro nsirihụ were enye nkọwa okwu ọbụla. Ọ na-akọwa na echiche na nghọtaokwu ọbụla nwere sitere n'ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ọdị na ya.

Onye ọzọ kwadoro atụtụ a bụ Paul Horwich n'akwụkwọ o dere n'afọ 1998 ọ kpọrọ *'Meaning'*. Ọ kọwara na ihe na-enye okwu ọbụla echiche ya gbadoro ụkwụ n'ihe e ji ihe ahụ eme n'asụsụ okwu ahụ dị na ya. A bịa n'echiche Wittgenstein na Horwich, e nyochaa ya nke ọma, a ga-achọpụta na ha abụọ na-ekwu otu ihe.

Horwich na Wittgenstein so na ndị kwenyesiri ike ma na-akwado atụtụ a site n'ịkọwa na okwu ọbụla nwetara echiche ya site n'ihe ndị nwe asụsụ nyere ya. Nkọwa ha na-ekwenye na okwu ọbụla enweghị echiche onwe ya. Atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-egosipụta na okwu dị iche iche n'asụsụ dị iche iche nwetara echiche ha site n'etu ndị nwe asụsụ siri hụ okwu ndị ahụ. Uru atụtụ a bara mere na e ji ya arụ ọrụ rue ugbua.

Atụtụ a riri mperi n'ụzọ olenaole. O doro anya na echiche nwere ọdịdị nnọrọonwe emetụtaghị ọnọdụ ya n'asụsụ maọbụ atụmatụokwu mana atụtụ a na-ekwu na echiche okwu ọbụla gbadoro ụkwụ n'ihe ndị nwe asụsụ kpọrọ ya.

**Atụtụ nrụgara aka**

Atụtụ ọzọ a ga-agbaso wee tụchaa isiokwu nchọcha a bụ atụtụ nrụgara aka nke na-akọwa na tupu a mata ihe bụ echiche ihe ọbụla, a ga-achọpụta ihe ya bụ echiche na-arụgara aka. Atụtụ a bụ Ogden na Richard tụpụtara ya n'afọ 1923. Mbah na Mbah (2014) kwuru na atụtụ a na-akọwa na echiche ihe bụ ihe ihe ahụ na-arụgara aka, ọmụmaatụ 'nkwụ' bụ ụdị osisi nsọokwu a na-arụgara aka. 'Ede' bụ ụdị nri ya bụ okwu na-anọchi anya ya. Ha sị na okwu ọbụla nwere echiche ga-enwerịrị ihe a na-ahụ anya ọ na-egosipụta. Ihe okwu ndị a na-akọwa bụ mpụtara okwu ọbụla a na-ahụ anya ka ọ na-ekwu maka ya.
Ọ bụ usoro ịrụgara ihe a na-ekwu maka ya aka ka atụtụ a ji akọwa okwu. Ya bụ na e kwuo 'ụlọ', a hụrụ ụlọ a ga-arụ aka wee gosị ihe bụ ụlọ, e kwuo 'osisi', e nwere osisi dịgasịnụ a na-ahụ anya a ga-arụ aka wee gosị ihe bụ osisi.

Ndị tụpụtara atụtụ a kwenyere na echiche okwu ọbụla nwere ihe pụtara ihe anya ga-ahụrịrị wee mata ihe a na-ekwu maka ya.Atụtụ a baara ha uru n'oge ahụ a tụpụtara ya makana ọ na-akwado usoro nkụzi nke sị na ihe a hụrụ n'anya karịrị ihe a nụrụ naanị na ntị. Ọ bara uru maka ịkụziri ụmụntakịrị ihe n'ihi na ha na-amụta ihe ha hụrụ n'anya ngwa ngwa karịa nke ha nụrụ naanị na ntị.

Atụtụ a riri mperi n'ihi na ọ na-akwado naanị ihe nhụrụnanya ma o nweghị ọnọdụ maka ihe nhụrụnuche. O nwere ọtụtụ okwu na ọtụtụ aha nwere nghọta nhụrụnuche mana ha enweghị ọkpụrụkpụ ihe a na-ahụ anya na-egosipụta ha. Okwu ndị dịka 'aghụghọ',

'ọnwụ', 'ịhụnanya', 'iwe', 'ụsa', 'Chi' nwegara nghọta echiche mana a naghị ahụ ha anya. Nke a mere ka akọchaa atụtụ a.

**Osisi nsọ n'ala Igbo**

Ndị Igbo nwere osisi nsọ dị iche iche. Ọtụtụ n'ime osisi ndị ahụ nwere nnukwu ọnọdụ n'ekpemekpe ọdịnala ndị Igbo. Osisi ndị a bụ osisi ndị Igbo ejighị egwuriegwu nke nwere nnukwu ugwu na nsọpụrụ n'ụzọ pụrụ iche. Ugwu ụfọdụ n'ime osisi a dị iche site n'otu obodo rue n'obodo ọzọ n'ihi na ụfọdụ n'ime ha abụghị etu obodo nke a si akwanyere ha ugwu ka obodo ọzọ sikwa akwanyere ha ugwu. Ebe ugwu na nsọpụrụ enyere ụfọdụ zuru Igbo ọnụ dị ka ọjị. Osisi nsọ ụfọdụ n'ala Igbo bụ ndị a:

**1. Osisiọjị**

Osisi a bụ ọjị bụ osisi pụrụ iche n'ala Igbo gbaa gburugburu. O nweghị onye nwere ike ịkọwa etu osisi a si malite n'ala Igbo ma ndị Igbo ọbụla weere ya dị ka mkpụrụ osisi kacha ibe ya. E ji mkpụrụya eme omenala n'ala Igbo dị ka alụm di na nwunye, akwamozu, ịgba ndụ, idozi esemeokwu n'etiti mmadụ na ibe ya. dg. Ọ bụ otu n'ime osisi nsọ e nwere n'ala Igbo n'ihi ọnọdụ ya. Obodo ụfọdụ kwenyere na osisi a bụ ọjị na-alọ mmadụ ụwa nke pụtara na osisi a nwere ike ịbịa ụwa dị ka mmadụ. Ọ bụ osisi a bụ ọjị na-amịpụta mkpụrụ ọjị nke e ji eme mmemme ọbụla n'ala Igbo. A na-akwanyekwara ya bụ osisi ugwu dị egwu maka na nwaanyị anaghị arị ya elu. Tupu e gbuo ọjị, a na-emere ya mmemme pụrụ iche.

**2. Osisi nkwụ**

Nkwụ so n'otu osisi nsọ e nwere n'ala Igbo. Ọ bụ osisi ụmụnwaanyị adịghị arị elu ya n'ihi nsọpụrụ a na-enye ya. A na-ewe nwaanyị rịrị elu nkwụ ka onye mere arụ n'ala Igbo. Nke a bụ maka na ndị Igbo hụrụ nkwụ dị ka otu n'ime osisi toro oke elu ma kwụrụ ekeresụ nke bụ na aka nwaanyị apụghị imetụ ya. Ọ bụ naanị ụmụnwoke na-arị ya elu ma gbute akwụ chara na ya n'ihi na ha kwenyere na nwoke siri ike karịa nwaanyị. Ọ bụ nke a mere ndị gboo ji were ya dị ka osisi nsọ n'ihi nkwenye ha ahụ. Ọzọ, o nweghị ihe dị na nkwụ lara n'iyi, ewu na atụrụ na-ata igu ya, e ji ihe ewu tafọrọ n'igu mere azịzị, e ji akwụ emeta mmanụ. Ebe a na-azọ ala, ọmụ nkwụ na-ekwu onye abakwala ruo oge a ga-ekpecha ikpe ala ahụ.

**3. Nkwụojukwu**

Nkwụ ojukwu bụ otu n'ime osisi nsọ nke mkpụrụ ya na-acha akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ mgbe ọ chabeghị acha, ma mgbe ọ chara, ọ chaba edo edo. N'ala Igbo, a na-eji ya eme ọgwụ. Ndị Igbo kwenyere na akwụ ojukwu na-emerụ nsi ọ bụla e nyere mmadụ. Nke a pụtara na akwụ ojukwu anaghị adị ụbara n'obi ọbụla. Ndị Igbo kwenyekwara na o nweghị ike ipu na be ajọ mmadụ dị ka onye obodo na-enyo enyo gbasara nsi na aja.

**4. Osisiọfọ**

Ọfọ bụ osisi nsọ ndị Igbo na-akwanyere ugwu nke ukwuu n'ebe ọ pụrụ iche. Ọ bụkwa osisi a ka e ji emebe ọfọ nke bụ nnukwu ngwa ofufe ndị Igbo. Ndị dibịa Igbo na-ejikarị ya arụ ọrụ n'okwu agwụ ha. A bịa n'ala Igbo, Igwe ọbụla nwere ọfọ nke o ji achị obodo ya. Ọfọ bụ ihe na-egosi ikike Igwe nwere o ji achị obodo ya. Ndị Igbo kwenyere na ọfọ bụ ihe dị nsọ. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu sị, "Eji m ọfọ eji m ogu" iji kọwaa

onye aka ya dị ọcha. Ihe ọzọ mere osisi ọfọ ka ọ bụrụ osisi nsọ bụ na ọ na-emerụ ọgwụ. Ọ bụrụ na mmadụ jiri ọgwụ wee bata n'ebe osisi a bụ ọfọ dị, ọgwụ onye ahụ ji agaghịzị adị ire n'ihi na ọfọ ga-emerụ ya bụ ọgwụ.

**5. Osisi ogirisi**

Osisi a bụ ogirisi bụ osisi nsọ zuru Igbo ọnụ. Ọ bụ osisi a ka e ji arụ ọgwụ, ọ bụkwa akwụkwọ osisi a ka e ji etinye ihe a na-enye ụmụ arụsị dị ka ọjị.N'ala Igbo, e ji osisi a bụ ogirisi akpa oke ala n'etiti mmadụ na ibe ya. Ndị Igbo kwenyere na ebe ọbụla e nwere ihe dị ka ọgwụ maọbụ nsi, na eweta akwụkwọ ogirisi tọgbọ ya ebe ahụ, ọgwụ maọbụ nsi dị na ọ ga-emerụ ọgwụ ahụ maọbụ nsi ahụ. Nke a mere ka ọ bụrụ osisi a na-asọ nsọ n'ala Igbo. Osisi a bụ anwụanwụ, ma ọkọchị ma udummiri akwụkwọ ya anaghị agha ndụndụ chawa ihe ọzọ. N'oge gboo, ndị na-agọ mmụọ, ndị na-ebute arụsị na-eji ogirisi akwadobe ụdị ihe ahụ. Ihe ọzọ mere osisi a ka ọ bụrụ osisi nsọ bụ na nwa agbọghọ a lụrụ di ọhụụgaa ife ụlọ be dị ya, ọ lawa, a na-ebunye ya ite mmanya ọ ga-eji kele ndị ọgọ mana e tinye akwụkwọ ogirisi n'ọnụ ite mmanya ahụ, ihe ọ pụtara bụ "anyị alụkwaghị".N'oge gboo, ọ bụrụ na ejiri mmadụ chụọ aja wee lie ya nandụ, n'obu ebe ahụ elili onye ahụ, a na-ewere osisi ogirisi kụnye n'ebe ahụ e lili onye ahụ iji gosi na o nwere ihe dị ike maọbụ oke ihe dị n'ebe ahụ.

**6. Osisi akpụ**

Akpụ bụ otu n'ime osisi nsọ n'ala Igbo. Ọ bụ nnukwu osisi dị ka ọjị na ngwu. Ebe ọbụla akpụ kwụ na-abụkarị ama obodo. O so n'osisi ndị Igbo na-enye ofufe n'obodo dị iche iche. N'ebe ụfọdụ, ha na-enwe nkwenye na o nwere arụsị nwe akpụ. A bịa n'obodo Mbaukwu dị n'okpuru ọchịchị Ọka Saụtụ, e nwere akpụ arụsị na ngene.

**7. Osisi ngwu**

Ngwu so n'otu osisi nsọ ndị Igbo na-akwanyere ugwu nke ukwuu. N'ebe ụfọdụ n'ala Igbo, a na-efe ngwu ofufe dị ka arụsị maọbụ chi. Ọ na-alọkwa mmadụ ụwa dị ka ọjị. Tupu e gbutuo osisi a bụ ngwu, a na-emere ya nnukwu emume pụrụ iche dị ka ịchụrụ ya nnukwu aja .

**8. Osisiụkụ**

Osisi a bụ ụkụ so n'otu osisi ndị Igbo na-asọ nsọ. A bịa n'Ụmụawụlụ dị n'okpuru ọchịchị Ọka Saatụ, e weere osisi a bụ ụkụ dị ka osisi nsọ n'obodo ha n'ihi na ndị obodo ahụ kwenyere na ọ bụ arụsị be ha a na-akpọ Avụja nwe osisi ụkụ.

**9 Osisiụdara**

Ụdara sokwa n'otu osisi ndị Igbo weere ka osisi nsọ. N'ala Igbo ugbu a, ha weere ụdara dị ka osisi a na-esite na ya arịọta ọmụmụ. Ya mere ndị Igbo jiri kwenye na ụdara bụ osisi ọmụmụ. Ọbụ ya mere ụmụnwaanyị dị ime ejighị eji ụdara egwu egwu. Ọzọkwa, nwaanyị na-achọ nwa rachaa ụdara na nrọ, o gosiri na ákwá ya eruola Chineke ntị. Ọ bụladị mmiri na-esite n'ụdara apụta na-adị ka mmiri ara nwaanyị ji azụ nwa ya. N'ebe ụfọdụ n'ala Igbo, e nwere mmemme a na-emere ụmụagbọghọ nke a na-akpọ 'Emume Ụdara'. Nke a so na mmemme ntopụta ndị Igbo na-emere ụmụagbọghọ. Mmemme a na-abụkwa emume a na-eji enye ụdara ofufe dị ka osisi ọmụmụ

**10. Osisi ọha**

Osisi ọha so n'otu n'ime osisi ndịIgbo weere dị ka osisi nsọ n'ihi ofufe na nkwenye ha nwere banyere ya. Ụfọdụ na-eji akwa edoedo maọbụ mmeemmee amado n'ukwu ya iji gosipụta ugwu na nsọpụrụ o nwere ma mee ka ụmụntakịrị ghara ịdị na-egwuriegwu n'ukwu ya. Na mpaghara Adazi-Anị, o nwere ndị omenala ji osisi ọha mere Chi ha. Ha na-amado osisi ọha ahụ akwa ojii, edoedo ma dobesịa ụfọdụ ite aja na ọkụ ndị ha ji akpakọtasị ngwongwu ha ji akpọku chi ha.Ọzọ, osisi ọha so n'otu n'ime osisi na-asọ ọbara mmadụ, ọ bụ ya kpatara na ọha na-atụpụ onye ọbụla chọrọ ịda n'ukwu ya ma tụtee ya aka.

**11. Osisi ọgbụ**

Ọgbụ bụ otu n'ime osisi nsọ e nwere n'ala Igbo e ji agọ ọfọ mgbe a na-eme omenala dị iche iche. Ọ bụ alaka ya ka ndị Igbo ji apị osisi ọfọ na ogu. Osisi ọgbụ na-asọ ihe ọjọọ oyi. Ọ bụghị n'ezinaụlọ ọbụla ka a na-ahụ osisi a. Obodo ụfọdụ n'ala Igbo na-ewere ọgbụ enye nwa ha nwaanyị na-aga be di iji chebe ya be di mana mgbe onye ahụ nwụrụ, ndị be nke nwaanyị na-abịa ewere ya dị ka omenala ndị siri dị. Ọzọ, ndị na-efe arụsị na-egbupuru arụsị ha ọbara maọbụ wụpụrụ ya mmanya n'ukwu ọgbụ. Agbarakwe kọwara na ihe mere nke a bụ n'ihi nkwenye ndị gboo na "o nwere ihe gbasara ọgbụ na ndị mmụọ na mmadụ, ya mere ndị gboo ji awụpụrụ ya ọbara.

**12. Osisi anụnụebe**

Osisi anụnụebe so n'otu n'ime osisi a na-akwanyere ugwu pụrụ iche n'ihi ụdịdị na akparamagwa ya. Ọ bụ osisi na-anọrọ onwe ya n'oke ọhịa nke na o nweghị osisi na-anọdebe ya. Ọtụtụ ndị mmadụ na-anụ ude osisi a mana ha ahụghị ya anya. Ndị Igbo kwenyere na anụnụebe bụ osisi na-eje agha n'ụbọchị nnukwu Eke. Ihe ọbụla na-eku ume anaghị ejedebe n'akụkụ ya. Nnụnụ anaghị ebe na ya. Ọ bụ nnukwu osisi ndị dibịa ji agwọ oke ọgwụ. Ọgwụ ọbụla e ji osisi anụnụebe wee gwọọ na-adị ire nke ukwuu.

**13. Osisi ebenebe**

Osisi ebenebe bụ osisi a na-ahụkarị ka ọjị nke nwekwara ugwu n'ụzọ pụrụ iche. Ebenebe na-eri ụnamụna n'ihi na akwụkwọ ya bụ ihe a na-edebe n'ubi nke ndị Igbo kwenyere na ọ na-achụ ndị amosu, ndị obi ọjọọ, ndị nkwutọ na anyaukwu banyere ihe akọnyere n'ala. N'ihi nke a, mgbe ọbụla diji kọchara ji, ọ na-eji akwụkwọ ebenebe ekonyesị n'ubi ahụ iji mee ka mkpọrọmọnụ ndị mmadụ ghara ịdị ire.

**14. Osisi nchụanwụ**

Nke a bụ osisi ndị mmadụji efe Chukwu okike n'ụzọ pụrụ iche ma na-enye ya ugwu na nsọpụrụ n'ihi na ha chere na ọ na-enye aka echekwa ala. Ebe ọbụla a hụrụ ya, a na-ewe ebe ahụ ka ebe dị nsọ maọbụ obodo nsọ. Igwe mmadụ na mpaghara ụwa na-efe osisi a ofufe tụmadị ụbọchị a na-achụ aja, dg.

**15. Osisi ekommiri**

Ekommiri so n'otu n'ime osisi nsọ e nwere n'ala Igbo nke na-adịkarị n'ịkpa. Oge ụfọdụ, a na-ahụkwa ya n'ọtụtụ ezinaụlọ. Ezinaụlọ ọbụla ekommiri dị na ya bụ ezinaụlọ ndị Igbo weere ka ezinaụlọ dị nsọ. E jighị osisi ya esi nri n'ihi na ndị Igbo kwenyere na osisi ya na-agbachu nri ma mee ka nri ghara ighe otu o kwesịrị. Mgbe ọbụla mmadụ gbuturu

osisi ahụ n'amaghị ama, ọ ga-akwa ya dị ka mmadụ ma mee ihe kwesịrị ka e mee banyere ya. Ọ bụrụ na mmadụ gbuo osisi ahụ mma n'amaghị ama, onye ahụ ga-aga rịọ ezinaụlọ ahụ mgbaghara. Ọ bụrụ na ezinaụlọ ahụ chọrọ igbutu osisi ahụ, ha ga-arịọ ya arịrịọ tupu ha egbutuo ya site n'iji okwu ụtọ dị iche iche dị ka, ịkpụ ya isi, ite ya ude, dg.

**16. Osisiụkwa**

Ụkwa bụ otu n'ime osisi ndị Igbo kwenyere na ọ bụ osisi nsọ n'ihi akparamagwa ya. Ndị Igbo na-atụ ilu sị na "ewu na-akpa n'ukwu ụkwa, ọ makwa na ụkwa na-egbu egbu". Nke a mere na ndị mmadụ anaghị anọkarị n'ukwu ụkwa maka na onye ụkwa siri n'elu wee daa ma tie ya n'ahụ, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ mere ahụ.

**17. Ede**

Ede so n'otu n'ime osisi ndị Igbo na-asọ nsọ n'ihi nkwenye na omenala ndị. E nwere mpaghara ala Igbo anaghị eri ede. Ha na-asọ ya nsọ n'ihi na ha kwenyere na onye na-ata amosu anaghị eri ede maka na ede na-achụ ndị amosu.  Onye amosu ọbụla riri ede n'amaghị ama, ede ahụ ga-emerụ ya ahụ ma gbuo ya n'eleghị anya n'azụ.

**18. Akị oyibo**

Osisi a bụ akị oyibo so n'otu osisi nsọ n'ala Igbo n'ihi ihe ndị Igbo kwenyere banyere akị oyibo. N'ala Igbo, mkpụrụ akị oyibo maọbụ mmiri ya na-emeru ọgwụ. Ọ bụrụ na mmadụ aṅụọ ọgwụ karịrị ya ahụ, a ga-agwa ya jee ṅụọ mmiri akị oyibo maọbụ taa akị oyibo. Ndị Igbo kwenyekwara na mmadụ anaghị anọ n'ukwu akị oyibo n'ihi na onye ọbụla akị oyibo siri n'elu wee daa n'ahụ, ihe ọ pụtara bụ na aka onye ahụ adịghị ọcha na onye ahụ na-eme ihe ọjọọ.

**19. Osisi abalịdịegwu**

Dị ka aha ya siri dị, nke a bụkwa otu n'ime osisi ndị Igbo kwenyere na ọbụ osisi nsọ n'ihi aha ya. Ọbụ osisi na-etokarị n'abalị. Ọ bụ sọọsọ n'abalị ka o ji eto. Ndị dibịa na-ejikwa ya eme ọgwụ n'ụzọ pụrụ iche. Ọgwụ ọbụla e jiri ya sie na-arụ ọrụ.

**20. Osisiọgbabinagụ**

Osisi a bụ ọgbabinagụ bụ otu n'ime osisi na-enwekarị nnukwu ugwu, na-enwe ọtụtụ alaka ma na-adịkwa n'akụkụ mmiri nke ndị na-akọ ji na-ejikarị eme arụrụ ji. Osisi a anaghị adị ụlọ nso.Ka o sila dị, osisi nsọ bụ osisi dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo. Ndị Igbo ejighị ya egwuriegwu. Osisi ndị a nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ n'ime ha na-epu na gburugburu ebe mmadụ bi ebe ụfọdụ n'ime ha anaghị epu ebe mmadụ bigasị.

**Nchịkọta**

N'edemede a, nwanchọcha gbara mbọ kọwapụta ihe bụ osisi nsọ, gosipụta ụdị osisi nsọ dị iche iche e nwere n'ala Igbo. Nchọcha a gosipụtara na osisi nsọ ndị a bụ ụfọdụ osisi dịgasị na gburugburu ebe mmadụ bi mana ụfọdụ amaghị mkpa na uru ha bara. Nwanchọcha chọpụtara na osisi nsọ ndị a nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche n'ala Igbo.

Ọ gara n'ihu chọpụta na osisi ndị a abụghị osisi nkịtị eji egwuriegwu n'ala

Igbo. Ụfọdụ n'ime ha adịghị epukarị ebe ndị mmadụ bi ebe ụfọdụ na-epu na gburugburu ebe mmadụ bigasịmana ha amaghị na ọ bụ osisi a na-akwanyere ugwu n'ụzọ pụrụ iche.

## Aro nwanchọcha

Site na nsogbu ndị cheere nwanchọcha aka mgba mgbe ọ na-eme nchọcha ya, ọ na-atụ aro ndị a: na mbụ, nkụzi gbasara osisi kpọmkwem kwesiri ka e tinye ya n'ihe ọmụmụ ụmụntakiri malite n'ụlọakwụkwọ ọtaakara ruo na mahadum. Ọzọ, uru na mkpa osisi dị n'ala Igbo bụ ihe nwata ọbụla kwesiri ịmatan'oge. Nwanchọcha na-atụkwa aro ka gọọmentị obodo ọbụla wube ụlọ nchọcha ebe a ga-agana akụzi ihe banyere osisi n'ebe ọ dara oke ụda ma mee ka amata na e nwere osisi n'ụdị dị iche iche dị ka osisi nkịtị na osisi nsọ n'ala Igbo.

## Mmechị

Site na nchọcha, o doro anya na nwanchọcha gbara mbọ mejupụta ebumnoobi o jiri bagide nchọcha ya, nke bụ ịchọpụta aha osisi nsọ ụfọdụ e nwere n'ala Igbo. Nke a bụ iji meghee anya ime mmụọ ụmụafọ Igbo ịmata aha osisi nsọ e nwere n'ala Igbo, ma enye aka mee ka ha chọpụtana osisi ọbụla dị na gburugburu ha nwere mkpa ọ di. Ọ ga-enye aka chọpụta na osisi dị ụzọ abụọ. Ha bụ osisi nkịtị na osisi nsọ mgbe a na-akọwa osisi.

## Edensibịa


Abarrg, A. (1991). "The significance of names in Ghanaian drama". N'ime *Journal of Black Studies.* Vọl. 22 No. 2 Ihu 157-167.

Agbedor, J. (2005). "The Similarities between naming practices among Ewe in Ghana and Guin-Mina in Togo". E wetara na University of Ghana.http://ugspace;ug.edu.gh31language/linguistics na 27July,2016.

Agyekum (2006). "Anthropological and Philosophical notions of Akan. Personal names". E wetara na University of Ghana http://ugspace;ug.edu.gh31 language/linguistics na 25 July, 2016.

Amamgbo, O. C. (2011). *Ogechukwu ka mma*. Ọnịcha: Ben-Cons Publishers.

Anaedo, A. A. (2009). Ọjị mkpụrụndụ. N'*Ọja*. Journal of Departmental of Igbo, African and Studies, Awka. Nnamdị Azikịwe University. Ihu 206-226.

Bernhardt, S. (2001). *African names, reclaim your heritage*. South Africa: Struik Publisher.

Carol, M. (2011). *The sacred tree. Ancient and medieval manifestations.* Cambridge: Scholar Publishing.

David, H. (2013). *People tree: Worship of trees in northern India.* Oxford; Oxford University Press.

Ekwealọ, C. C. (1996). *Omenala na ewumewu ndị Igbo.* Ọnịcha: Africana First.

Frege, G. (1952). *"On sense and reference:Translations from philosophical writings of Gofflob Frege"*Oxford: Blackwell.

Geertz, P. (2006). *Person, time and conduct in Bali. An essay in cultural analysis. Program cultural report series.* Yale: South East Asian Studies.

Hallowell, A. I. (2005). *The self and its behavioural environment in culture and experience.*Philadelphia: University of Pennsylvania Press.

Ilogu, E. (1974). *Christianity and Igbo culture*. Ọnịcha: University Publishing Company.

Mbiti, J. S. (1977). *African religion and philosophy*. London: Edinal.

McGraw, H. (1993). *The school dictionary 3.* New York: Macmillan.

Nwigwe, B. (2001). "Naming and being Philosophical investigation on names and objects with special reference to Igbo anthroponyms" E wetere nwww.naming.1phil212…//antro.com na 26 July, 2016.

Nzeako, J. U. T. (1979). *Omenala ndị Igbo.*Ibadan: Longman.

Obaji, C. N. (1982). *Language: Philosophical magazine.* Ikot Ekpene: Bigard. Memory Seminary Press.

Okodo, A. I. (1988). "Title names of traditional rulers in Anambra State:*A sociolinguistic analysis"*. Ederede maka nnwete nzere, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Onumajuru, V. C. (2007). " A semantic and pragmatic analysis of Igbo names". E wetere nawww.Afrejo.net/journals/.../roll0no2art.cmna 26th July,2016.

Simon, S. (1975). *Webster's new encyclopedia dictionary:* London: Sacramento.

Sutherland, E. T. (1991). *Marriage of Anansewa*. England: Longman.

Ubahakwe, E. (1981). *Igbo names: Their structure and their meanings.* Ibadan: Daystar Press.

Uchegbu (2010). "Infancy Rites among the Igbo of Nigerian". *Research Journal Studies-Issue*. E wetere na www.researchjournal//aca.org/LI..%1'AS na July,2016.

William, B. (2005). *The new encyclopedia Britannica*, Vọl. 24 Marcropedia. U.S.A. Encyclopedia Britannica Inc.

Zawawi, S. M. (1998). *African muslim names: Images and identities.* Trenton: African World Press.

**Ụfọdụ ndị nwanchọcha gbara ajụjụ ọnụ**

Mz.Odoh Ezea, onye ọrụugbo gbara afọ 120. Onye Nsụka.

Mz. Epunam Nwosu, onye ọrụugbo gbara afọ 91. Onye Ọkịja

Mz. Olebunne Jude, onye dibịa mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ gbara afọ 88. Onye Njaba

Mz. Ajaegbo Okwelogu, onye ọrụugbo gbara afọ 87. Onye Ọkịja

Ork. Enyosiobi, Rita, onye ọrụoyibo lagoro ezumike, gbara afọ 84. Onye Ọba

Ork. Agbazuo. Mgboafọ, onye ọrụugbo gbara afọ 83. Onye Ọkịja

Mz. Ogujiofo, Reuben, onye ọrụ capịnta gbara afọ 82. Onye Nimo